lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Eze nzuzu mara mma

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Lyn Doerksen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Samuel, onye-ikpe na onye-ndú Izrel emeela agadi. O mere ụmụ ya ndịkom ka ha bụrụ ndị-ikpe Izrel, ka ha nọchite ọnọdụ ya n'ïjere Chineke ozi. Ma ụmụ Samuel bụ ndị ajọ omume. Ha hụrụ ego n'anya ma jirikwa ike nke aka ha na-achọta ego n'ụzọ n’ezighi ezi.



Ndị Izrel tara ahụhụ n’ihi obi ọjọọ nke ụmụ ya ahụ. Ụlọ-ikpe ndị ahụ adịghịzi ekpe ikpe ziri ezi. Ndị mmadụ na-akwụ ụmụ Samuel ụgwọ mgbe ọbụla ha chọrọ enyemaka.



E kwesịrị ime ihe.  Otu ụbọchị, ndị okenye Izrel gbakọtara rịọ Samuel ka o nyere ha aka.



“Nye anyị eze ga na-ekpere anyị ikpe,” ka ndị okenye ahụ rịọrọ.  Ha achọghị ka ụmụ obi ọjọọ Samuel ndị ahụ na-ekpere ha ikpe ọzọ.  Ha chọrọ eze dị ka mba niile ndị ọzọ gbara ha gburugburu.





Samuel were iwe. Izrel enweelarị Eze! Chineke Nke puru ime ihe nile, bú Onye ebighi-ebi, chịrị Israel. Ogologo oge gara aga, O mere ka ha nwere onwe ha puo n'ịbụ ohu n'Ijipt, megheere ha Oké Osimiri Uhie ka ha gbapụ.



Mgbe ahụ O nyewori
Izrell ala-ọma ha.

Mgbe Samuel kpere ekpere, Jehova kwuru sị, “Ha ajụbeghị gị, kama ha ajuwo m, ka m wee ghara ịbụ eze ha.  Ha efeela chi ọzọ dị iche iche.  Gee ha ntị n’olu ma meere ha eze.”





Chineke gwara Samuel ka o dọọ ndị mmadụ aka ná ntị na eze ha nke ụwa ga-anara ego ha n’ụtụ isi; nyere onwe ya aka n’ubi na ubi-vine ha kacha mma; nye ụmụ ha ndịkom ka ha bụrụ ndị-agha ya; nye kwa ụmụ ha ndịnyom iwu ka ha na-ejere ya ozi.

Mana ndị mmadụ chọkwara eze.





Chineke duuru Samuel jekuru otu nwa okorọbịa mara nma nke ukwu, onye na-eme ihere nke ukwu, ma tokwa OGOLOGO nke ukwu – onye ogologo-isi ya karịrị nke onye ọbula ọzọ.  Aha ya bụ Sọl. Samuel wee hụ Sọl, Jehova wee sị, “Onye a ga-abụ eze ndị m.”



Samuel ji nrube-isi tee Sọl mmanụ ka ọ bụrụ eze Izrel. Mgbe o mere ka Sọl bịakwute ụmụ Izrel, ha wee tie mkpu sị, “Eze ga-adị ndụ rue mgbe ebighi-ebi.”

N’oge na-adịghị anya, a nwalere Eze Sọl. Ndị Amọn, bụ́ ndị kpọrọ Izrel asị, gbara obodo Izrel gburugburu ma yie egwu na ha ga-ewepụ anya aka-nri onye ọbụla. Lee atụmatụ obi ọjọọ nke a bụ! Akụkọ banyere iyi egwu ahụ ruru Eze Sọl ntị.





Mgbe ndị-agha abụọ ahụ zutere, Sọl bibiri ndị Amọn ma napụtakwa obodo ahụ.  Eze Sọl nyere Chineke otuto na-asị "... taa Jehova emewo ka nzọpụta zuo oke n'Izrel!"

Chineke nyere Sọl nnukwu mmeri n'ụbọchị ahụ. Ma Sọl anaghị asọpụrụ Chineke mgbe niile. Otu ụbọchị, tupu Sọl alụso ndị Filistia agha, ọ chụụrụ Jehova àjà. Ọ ma na nke ahụ bụ ọrụ Samuel. Ọ ma na Chineke chọrọ ka o chere ruo mgbe Samuel bịara ime ya. Ma Sọl nupụụrụ Chineke isi!



Mgbe Samuel bịarutere, ọ gwara Sọl okwu sị, “I mewo ihe-nzuzu.  I debeghị ihe Jehova, bụ Chineke gị, nyere n'iwu.  Ugbua ala-eze gị agaghị adịgide.”



Sọl nwere ike cheela na ọ bụ obere mmehie. Ma nnupụ-isi nye Chineke na-adị njọ nke ukwu mgbe niile.



N’oge ọzọ, Chineke nyere Sọl iwu ka o bibie ndị ajọ omume nke Amalek.  Ma Sọl na ndị Izrel hapụrụ Egag, bụ eze Amalek ndụ.



Ha debekwara ihe ndị dị oké ọnụ ahịa, atụrụ na ehi.  Sọl wee sị na ha debere ihe ndị a maka ịchụrụ Jehova àjà.



Samuel wee sị Sọl,
“Ige ntị dị nma karịa
àjà nsure-ọkụ. Ị jụwo
okwu Jehova, Jehova
ajụwokwa gị ka ị
ghara ịbụ eze Izrel.”
Sọl nwere nnọọ
mwute maka mmehie
ya. Ma oge adịghịzi.
O nweghịzi obi ụtọ na
ndụ ya fọdụrụ n’ihi na
ọ chọghị irubere
Jehova isi.

Eze nzuzu mara mma

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Samuel Isi nke asatọ rue nke iri na isii

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

# Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.